# Pịrịbayọtịịkịsị



## Gịnị bụ pịrịbayọtịịkịsị?

Sọbụstreeti nke irighiri nje (maịkuroọganịzịm) na-ahọrọ wee nye uru n'ọnọdụ ahụike. Na nkenke, ha bụ nri maka irighiri nje maịkuroobu bara uru, bụ ndị bi n'elu ahụ maọbụ n'ime anyị.

## Eziokwu gbasara pịrịbayọtịịkịsị

Pịrịbayọtịịkịsị na-enye uru n'ọnọdụ ahụike site n'igbanwe kpọmkwem ihe mejupụtara maọbụ ọrụ nje maịkurobayọta nke mgbịrịafọ.*

- Pịrịbayọtịịkịsị bụ nke a na-ahụ ka ihe ọnatarachi na nri, ma bụrụ nke a na-etinye n'ụfọdụ erimeri enyemakanri na nri, nakwa nri maka ụmụaka a mụrụ ọhụrụ.
- Imeriime pịrịbayọtịịkịsị bụ nri faịba, mana ọ bụghị nri faịba niile bụ pịrịbayọtịịkịsị.
- Dịka ọ dị gbasara nri faịba, onye rifere pịrịbayọtịịkịsị oke nwere ike nwee afọ okuko. Were obere wee malite ma nye mgbịrịafọ gị ohere ka o wee nwee ike ịnabata karịa.

* Ọwa nri mmadụ nwere otu narị puku ijeri nje bakịtịrịa. Nje bakịtịrịa ndị a, a kpọrọ nje maịkurobayọta nke mgbịrịafọ, dị mkpa maka ahụike anyị.

## Gịnị ka ị ga-achọ na labeelụ?

Okwu a 'pịrịbayọtịịkị' abụghị ihe a na-ahụkebe na nrụgosị (labeelụ). Lezie anya ịhụ okwu ndị a:

- Galakụtooligosakaraịdị (GOS)
- Furukutooligosakaraịdị (FOS)
- Oligofurukutoosu (OF)
- Faịba nke chịkọrị
- Ịnụlịịnị

## Pịrịbayọtịịkịsị maka ahụike gị

Pịrịbayọtịịkịsị ga-enwenwu ike:

- Mee ka ọrụ mgbari nri kawanye mma (afọ enwee usoro na mmegharị ya)
- Kwado nchedo ọnatarachi nke ahụ mmadụ
- Mee ka ahụ ịmikọrọ mịnaraalụ kawanye mma
- Nye aka n'ịhazi usoro mgbe ị ga-enwe mmasị iri nri, nguzosike nke ike, na arụmọrụ gulukoosu

## Pịrịbayọtịịkịsị n'ime nri



Ụfọdụ pịrịbayọtịịkịsị (oligofurukutoosu na ịnụlịịnị) ka e nwere ike ịhụ na yabaasị, galiiki, unere, mgbọrọgwụ chịkọrị, akwụkwọ nri atịchooku nke Jerusalem, mana ogogo ha na-adị ntakịrị. Iji bawanye nke na-aba gị n'ahụ, gbakwụnye n'ihe erimeri gị enyemakanri pịrịbayọtịịkịsị maọbụ nri e tinyere pịrịbayọtịịkịsị. E nwere ike tinye pịrịbayọtịịkịsị na yugọọtụ, nri nwa ọhụrụ, ọka na oyiri ọka, achịcha, bisikiiti/kukiiz, ihe nracha/ọtịta ụtọ maọbụ ihe ọṅụṅụ. Gbalịa nweta o peka mpe gụraam 5 nke pịrịbayọtịịkịsị na nri gị kwa ụbọchị. Iri ihe niile si n'ọka na oyiri ọka, mkpụrụ osisi na akwụkwọ nri, na nri ndị ọzọ faịba juputara nwere ike inye aka.



## Pịrịbayọtịịkịsị na mmiri ara nne

Mmiri ara mmadụ bụ ụzọ dị ire nwa na-aṅụ ara si enweta pịrịbayọtịịkịsị. Ha na-akwado ahụike nwa ọhụrụ site n'igba nje maịkurobayọta nke mgbịrịafọ bara uru ume.

ISAPP
Connecting science, microbes and health

Maka ozi ndị ọzọ gaa **ISAPPscience.org/prebiotics**
maọbụ soro anyị na Tuwita (Twitter) **@ISAPPscience**

© 2018, International Scientific Association for Probiotics and Prebiotics